ACALAN- AU

# COVID-19

# Igbo

## Gini Bu Kovidi 19?

Ọ bụ nje ọrịa ọhụrụ a na-akpọ Korona vaịrọsụ. Nje ọhụrụ a sitere na obodo Wuhan nke di na mba China na onwa Disemba nke afọ 2019.

## Gini Bu Nziputa Kovidi 19?

i. Nje Kovidi 19 bụ Korona Vaịrọsụ na-ewe ihe dịka mkpụrụ ụbọchị abụọ (2) rụọ mkpụrụ ụbọchị iri na anọ (14) tupu ọ gosipụta maọbụ njirimara ya apụta ihe.

ii. Onye ọbụla butere nje ọrịa a, ga ebido nwebe ihe nzipụta ndi a: oke ahụ ọkụ, ike ọgwụgwụ na ụkwara. Ndị ọzọ bụ ahụ mgbu, imi mkpọchi, imi na-eru mmiri, akpịrị mgbakasị maọbụ afọ ọsịsa. Ihe ngosipụta ndi a ga-eji nwayo bido n'ahụ mmadụ wee ruo mgbe o kụturu onye ahụ.

iii. Ụfọdụ ndị mmadụ na-ebute nje a, ma dịkwa ka ndị ahụ zuru oke maọbụ njirimara nje a anaghị apụta ihe n'ahu ha; ya bụ na nje a agaghị ebutu ha n'oria. Ụfọdụ ndị mmadụ (ihe dịka mmadụ asatọ na ime mmadụ iri) na agbake na ọrịa a na agbanyeghị na ha enwetaghị nlekọta anya pụrụ iche site n'aka ndị nchekwa ahụ ike. Na aka nke ọzọ, otu onye n'ime mmadu isii ọbụla butere nje kovidi 19 na-ada oria; e mechazie, ha agaghi na-ekupuzi ume nke ọma.

iiii. Ndi okenye na ndi ahụ na-esichaghị ike dịka ndị nwere ọrịa ọbara mgbalielu, ọrịa obi maobu ọrịa ọtọọ biri biri bu ndị nje ọrịa Kovidi 19 a na-ebutu nke oma ma menyụọ ha anya. Onye ọbụla nwere oke ahụ ọkụ, ụkwara ya na ekuteghi ume nke ọma ga agba mbọ kpọtụrụ ndi nlekọta ahụ ike maka ezi nlekọta anya.

ACALAN
African Academy of Languages
AFRICAN UNION

## Enwere Ọgwụ Mgbochi Maọbụ Ọgwụgwọ Kovidi 19?

Dika o siri gbatakwụrụ ụgbụ a, enwebeghị ọgwụ mgbochi maọbụ ọgwụgwọ kovidi 19. Ka o sina dị, e nwere ọtụtụ nnyocha na nwale dị iche iche nke na-aga n'ihu ụgbụ a i ji chọpụta ihe nwere ike ịgwọ nje oria a. Otu mba ụwa na-ahụ maka ahụ ike a na-akpọ World Health Organisation (WHO) na asụsụ bekee ga- aga n'ihu ịkọwapụta na izisakwa ozi ozigbo enwetara ozi ọbụla banyere nchọpụta n'ihe banyere ọgwụgwọ Korona vaịrọsụ a.

## Njirimara Ọrịa Korona Vairọsụ (Kovidi 19)

ACALAN
African Academy of Languages
AFRICAN UNION

- Ụkwara
- Oke ahụ ọkụ
- Ike ọgwụgwụ
- Imi mkpọchi
- Imi iru mmiri
- SAkpịrị mgbakasị maọbụ afọ ọsịsa
- Ekuteghi ume nke ọma

## Etu Esi Akwụsị Mgbasa Korona Vaịrọsụ (Kovidi 19)

- Zere ikwe n’aka, kwụsị ị makụ mmadụ, maobu ihe ọbụla ga-eme ka ahụ gị na nke onye ọbụla metụta,
- Zere imetu aka n'anya, n'imi maọbụ n'ọnụ mgbe imetuchara ihe maọbụ onye ọbụla aka.

ACALAN
African Academy of Languages
AFRICAN UNION

## OKE ỤLỌ AKWỤKWỌ MAKA ASỤSỤ NDỊ AFRKA NỌ N'OKPURU NZUKỌ JIKỌRỌ NDỊ AFRKA NILE (ACALAN-AU)

## ETU MMADỤ GA-ESI GBOCHIE I BUTE NJE ORIA KORONA VAỊRỌSỤ



### NA-AKWỌ AKA MGBE ỌBỤLA

Were ncha na mmiri na-akwọ aka gi abụọ mgbe ọbụla maọbụ na-ete sanịtaịza eji mmanya ọkụ were mee n'aka gị mgbe ọbụla.




### Na-Anọchapụ Anọchapụ Na Ọgbakọ Ọbụla

Gbaa mbọ hụ na i nyere ohere rụrụ nzọpụ ọkpa atọ n'akụkụ, n'ihu maọbụ n'azụ onye ọbụla nọ gị nso ka ị were nwee ike izenarị uzere maọbụ ụkwara onye nọ gị nsọ zere maọbụ kwara.



### Zere ịdị na-emetụ aka n’anya, imi maọbụ ọnụ.

Aka mmadụ na-emetu ebe di iche iche nwere ike ị metụta nje oria a. Aka metụtara nje a nwere ike iweba ya n’anya, imi maọbụ ọnụ gị mgbe ọbụla  i metụrụ aka n'ihu gị. Nke a ga-eme ka nje a si na ebe ndi a banye gi n’ahụ were butere gị ọrịa.



### Mgbe ọbụla ị chọpụtara na ahụ esighi gị ike; biko nọrọ n'ụlọ, ejekwala ebe ọbụla.

Ọ bụrụ na ị nwere oke ahụ ọkụ, ụkwara maọbụ na ị naghị ekupu ume nke ọma; kpọtụrụ ndị nlekọta ahụ ike, ma mekwaa nke a n’oge.




### Na-akwanye ụkwara maọbụ ezenyekwa uzere na ikiri aka gị.

Were akwụkwọ tishu maọbụ ịsị aka akwa gị kpuchie ọnụ gị na imi gị mgbe ọbụla ị chọrọ ịkwa ụkwara maọbụ ize uzere.

**Ozi a sitere na Otu Mba Ụwa Na-ahụ maka nlekọta ahụike n' mba ụwa nile a na-Akpan ọ World Health Organisation (WHO) na asụsụ bekee.**